IVADO

Initiative IA + Société
AI + Society

# Iji AI Achị Ọchịchị

## Ihe Anọ A Ga-eme Iji Wulite Ọrụ Ọhanaeze Nke Kwụdosiri Ike Ma Na-eweta Mgbanwe

Catherine Régis, Florian Martin-Bariteau, Rachel Adams, Brunessen Bertrand, Jake Okechukwu Effoduh, Peter Parycek, Carlos Affonso Pereira de Souza, Hyesun (Melissa) Yoon

## Mmepụta AI maka Ọrụ Gọọmenti

Amamihe Nwa Bekee (AI) emekwuola ka usoro gọọmenti si arụ ọrụ gbanwee nke ukwuu, na-emetụta ọ bụghị naanị ọchịchị kama ogogo na nzaghachi nke ndị ọchịchị. Taa, ihe dị ka pasent 70 nke mbaụwa ekwuola na ha na-eji AI kwalite usoro ọchịchị, ebe ihe dị ka otu ụzọ n'ime atọ na-eji ya kwado imepụta na imejupụta atumatu.[1] Iji maa atụ, gọọmenti etiti mba Canada jiiri AI tụgharịa ma chịkọta echiche 11,000 ndị mmadụ webatara n'oge mkparịtaụka ọha banyere ịkwalite atụmatụ AI ha;[2] Singapore emepụtala ma tinye n'ọrụ usoro chatbot nke AI na-arụ ọrụ n'ọtụtụ ọrụ obodo iji kwalite ọrụ;[3] Peru, site n'aka ndị na-ahụ maka mmiri, na-eji AI atụ aro maka itinye ego n'usoro mmiri nke mba ahụ.[4] Ụfọdụ gọọmenti nwere mmasị siri ike na AI ruo na ha amalitela ịchọ ụzọ a ga-esi hụta ya na-abụghị dịka ngwa enyemaka, kama nke e ji edochi anya isiọrụ gọọmenti.[5]

Ọchịchọ nke obi ga-adị n'okpuru ezi uche: uru a na-atụ anya na AI ga-eweta ga-apụta ihe naanị ma ọ bụrụ na gọọmenti hazie ebumnuche bara uru ma hazie nzọụkwụ ọ bụla nke a ga-eji tinye AI n'ọrụ nke ọma, n'ihi na ọnụọgụgụ na-egosi na "ihe karịrị pasent 80 nke ọrụ AI na-akụ afọ n'ala, nke bụ okpukpu abụọ nke ọnụọgụ ịda mba nke ọrụ ndị na-abụghị AI."[6] Iji maa atụ, na Michigan, ihe dị ka mmadụ 40,000 ka AI boro ebubo na-amaghị ama na ha ghọrọ aghụghọ irite uru enyemaka ndị na-enweghị ọrụ,[7] ebe na South Korea, e wepụrụ otu ihe ọmụmụ mgbe a chọpụtara na akwụkwọ ọgụgụ AI nwere ndejọ ma na-ebute ihe ize ndụ gbasara ozi nzuzo.[8]

Nke a apụtaghị na gọọmenti ga-ezere ịnwale maọbụ tinye AI n'ọrụ. Ichere ruo mgbe e wezugara ihe ize ndụ niile metụtara AI ga-abụ mmejọ, dịka o nwekwara ihe ize ndụ nke ya: ọ bụrụ na ndịisi ọchịchị

### Ihe ndị dị mkpa ị ga-eburu n'obi

- AI abụghị ụzọ mkpirisi e ji agbanwe gọọmenti. Ebughị ụzọ hazigharịa usoro ụlọọrụ, ikike zuru oke, na ọchịchị doro anya, itinye ya n'ọrụ nwereike ime ka nsogbu inwe ọtụtụ ụlọọrụ kawanye njọ, mee ka e nwee nkewa na enweghị nghọta, karịa ịkwalite ọrụ maọbụ ezi omume.
- AI ime nke ọma na gọọmenti na-abụkarị ịmaaka ọchịchị, ọ bụghị nke teknụzụ. Mpụtara anaghị eji ike dabere n'ogogo teknụzụ, kama ọ dabeere n'ikike ụlọọrụ, usoro inye ngụkọ, ike mmekọrịta ndị na-enye ọrụ na atụmatụ iguzogide nsogbu.
- Anyị na-atụ aro ihe anọ: gbanweghariạ ọrụ obodo dabere na nsogbu ndị dị adị tupu izipụ AI; tinye ego n'ịkwalite ikike ụlọọrụ site n'ọzụzụ na otu ndị ọrụ jikọtara ngalaba dị iche iche; hazigharịa ike ndị na-enye ọrụ site n'ịzụkọta ahịa ọnụ na imekọ ihe ọnụ; ma hiwe AI nke ngalaba ọrụ obodo n'elu "Trust Stack" nke e wubere na nkwụwaakaọtọ, inye ngụkọ, nlekọta nakwa ikike iguzogide nsogbu.

amaliteghị iji AI gbanwee gọọmenti ka ọ bụrụ nke dịkwuru mma ugbu a, ọdịiche dị n'etiti ịnabata teknụzụ n'ụlọọrụ nke onwe na nke gọọmenti ga-abawanye, nke ga-ebudata ntụkwasịobi ọhanaeze n'ọrụ nakwa mkpa ụlọọrụ gọọmenti.

Gọọmenti kwesịrị ime ihe ugbua site n'ịmalite njem ha na AI ma jiri ọsọ gboo nsogbu ndị metụtara usoro ọrụ na ikike mmadụ nke na-egbochi itinye teknụzụ a n'ọrụ nke ọma nakwa n'ụzọ kwesịrị ekwesị.

> ***"Ihe ndị ọhanaeze hụrụla banyere ọchịchị onye kwuo uche ya [...] abụghị naanị n'oge ntuli aka; ọ bụkwa n'ụzọ ha na ọrụ obodo si emekọrịta ihe. Ọ bụrụ na mmekọrịta ahụ na-enye nzaghachi, nsọpụrụ, nke dabara adaba, doo anya, ma na-akwalite mmadụ, nke ahụ ga-enye aka kwalite echiche ọhanaeze na ntụkwasịobi ha n'ụlọọrụ gọọmenti."***[9]

# Ịmaaka 1
# AI nwereike ịmụbawanye arụghị ọrụ nke gọọmenti

Nsogbu ndị dị e nwere taa abụghị ihe ọhụrụ; ha sitere na adịghị ike ndị a chọpụtara kemgbe mmalite nke ọtụtụ ụlọọrụ dị ugbua.

Na mmalite, a haziri ọtụtụ ụlọọrụ dịka usoro dabara adaba iji hụ na e nwere ịdị mma, ntụkwasịobi, na ịdị nhatanha n'okpuru iwu, mana ọtụtụ oge ọtụtụ ụlọọrụ na-akpalite nsogbu na-eme ka ntụkwasịobi ọhanaeze n'ụlọọrụ gọọmenti daa mba.

Iwu na usoro na-adịghị ele mmadụ anya n'ihu na-emekarị ka ebumnuche bụ isi ghara ịpụta ihe, ebe usoro na-aga nwayọ nwayọ nakwa na nkeji na nkeji na-emebi ụkpụrụ ọrụ.

N'atụmatụ, AI nwereike inyere gọọmenti aka idozi nsogbu ndị a site n'ịkwado nhazigharị atụmatụ na usoro ọrụ ndị dị adị. Ma, e nwere nnukwu ihe ize ndụ na gọọmenti agaghị eji ohere a mee ihe ma ọ bụrụ na a na-eji AI mee naanị ka usoro dị adị gbapụ ọsọ kama ịkwalite ha. Site n'itinye iwu ochie, usoro ọrụ nkeji nkeji, na echiche nchịkọta ochie n'ime usoro AI ọhụrụ, gọọmenti ga-eme naanị ka nsogbu ndị dị ugbua bụrụ nke ga-esi ike karịa. Ọ bụrụ na e nweghị mgbanwe kwesịrị ekwesị na mkpachapụ anya zuru oke, usoro ndị a nwereike ime ka mkpebi bụrụ ihe na-agaghị edo anya karịa ma ọ bụ kpalite adịghị nhatanha karịa iwepụ ya.

N'otu aka ahụ, AI agaghị ewepụta uru a na-atụ anya ya ma ọ bụrụ na mkpebi gọọmenti na-adabere n'ụfọdụ ngwaọrụ ndị adị adị ma na-ewu ewu, dịka chatbots, karịa mkpa na-akpa ndị mmadụ n'eziokwu. Atụmatụ ọrụ ndị e ji AI arụ—nke ka bụ ihe na-akpata mmetụta ruo n'afọ 2026—nwereike ime ka adịghị ike dị ugbua na gọọmenti sie ike ma gosipụta njedebe ikike nchịkọta.[10]

## Ihe nke mbụ a ga-eme
## Gbanwee ma gaa n'ụzọ ndị na-elekwasịanya n'ịdozi nsogbu, sitere n'ala ruo n'elu n'ihe gbasara AI

Tupu etinye AI n'ọrụ, gọọmenti kwesịrị ịkọwapụta uru a tụrụ anya na atụmatụ ọrụ AI ga-eweta nke ọma. Ọrụ ọ bụla ga-egosi uru doro anya nye ndị mmadụ, ndị ọrụ gọọmenti, na ụlọọrụ n'onwe ya.[11]

**Nke a pụtara ịmata mkpa ndị mmadụ nke ọma nke atụmatụ ọrụ ahụ chọrọ idozi** (dịka inwe mkpebi ngwangwa, ime ka mkpebi guzosie ike), ịtụle ma ihe onwunwe dị adị n'ụlọọrụ ha dabara n'izute mkpa ndị ahụ, ma kọwaa ihe atụ a ga-eji tụọ ọrụ ka o kwe omume ịnwale mmetụta ha dịka n'oge na-aga.

Usoro kwesịrị ịbụ naanị ndị a ga-ahọrọ maka ilebara anya ọ bụrụ ma a hazigharịa ma jikọọ ha na ụkpụrụ ọhanaeze. A na-ahụ echiche a nke ọma na nnwale nke mba United Kingdom: kama ime ka itinye teknụzụ ngwangwa bute ụzọ, a na-ahazigharị ọrụ dabere na mkpa ndị ọrụ a chọpụtara nke ọma tupu ewebata ogbugbo ọbụla.[12]

> ***Gọọmenti kwesịrị ịmalite njem ha na AI site n'idozi nnukwu ịmaaka ndị na-egbochi ha iji AI n'ụzọ ga-eweta mgbanwe n'eziokwu—ya bụ, n'ụzọ ga-eme ka ọrụ ọha dị mfe iji belata ibu nke ọrụ nchịkọta, kwalite imekọ ihe ọnụ, wulite usoro inye ngụkọ, maọbụ mee ka mpụtara dịkwuo mma ma bụrụ nke ziri ezi nye ndị mmadụ.***

Iji mee ka ọhụụ a bụrụ pụta ihe, gọọmenti kwesịrị ịhapụ itinye teknụzụ n'ọrụ site n'elu ruo n'ala, ma mee ka ha na ndị na-eji ya eme ihe rụkọọ ọrụ ọnụ nke ọma iji hụ na a na-etinye AI ebe ọ na-aba ezigbo uru. **E kwesịrị iwere ndị ọrụ obodo n'ọrụ dịka ndị ga-eso hazie ya** (karịa ịbụ naanị ndị na-eji ya eme ihe), ma tinye ha n'ime usoro niile, site n'ịkọwa nsogbu na ọganihu, ruo n'ịnwale ụdị mbụ n'ebe a na-etinye ya n'ọrụ, ma na-emeziwanye ngwaọrụ na usoro ndị dị n'okpuru ya ka oge na-aga. Amamihe ha, gụnyere ụzọ ha si edozi nsogbu na-enweghị usoro gọọmenti mgbe usoro ndị dị adị adịghị arụ ọrụ nke ọma maọbụ mgbe ha na-egbu oge, kwesịrị ịbụ ihe mgbazi n'ọrụ AI n'oge niile.

**E kwesịrị ịmalite mmejupụta ya site n'obere ọrụ ndị e mere nke ọma na-elekwasị anya n'ebumnuche doro anya,** nakwa ileba anya nke ọma n'etu ha si metụta ogo ọrụ, ibu ọrụ, ịdị mma dgz. Mgbe ahụ, gọọmenti kwesịrị ịkwalite ọganihu ndị e nwetara, ya bụ, ịgbasa ihe na-arụ ọrụ, ịkwụsị ihe na-adịghị arụ ọrụ, ma jiri mmụta e nwetara kwado itinye ya n'ọtụtụ atụmatụ na ụlọọrụ.

Denmark rọpụtara ezigbo ihe ịma atụ nke usoro a na-aga nwayọ nwayọ, site n'iji "regulatory sandboxes" na usoro itinye ya n'ọrụ n'ogogo dị iche iche.[13]

# Ịmaaka 2
# Gọọmenti enweghị ụlọọrụ zuru oke iji tinye AI n'ọrụ.

Gọọmenti na-ahụta nnukwu ihe ịmaaka n'usoro nakwa ikike ha nke na-egbochi ha ịchịkọta AI nke ọma. Ebe ọ bụ na ịmaaka ndị ha kwesịrị idozi nwere ọtụtụ njikọ n'etiti ha, ha ka na-arụ ọrụ iche iche, ma dabere n'usoro kewara ekewa, ma na-arụkwa ọrụ n'okpuru iwu siri ike nke na-eme ka mmekọrịta n'etiti mịnịstrị na ụlọọrụ dị iche iche sie ike. Mgbagwoju anya a na-ebute igbu oge iji nwee mkpebi ma na-ebelata ikike gọọmenti nwere ịzaghachi n'ụzọ jikọtara ọnụ dịka gọọmenti.

N'ogo ọrụ, inweta ụfọdụ ihe bụ nke gụnyere ọtụtụ mkparịta n'etiti ụlọọrụ dị iche iche, usoro ochie enweghị ike ịkekọrịta ozi maọbụ kwado inye ọrụ n'ụzọ ga-aga nke ọma, ma ogo mkpebi na-ebelata n'ihi na e bokwasara ndị ọrụ ibu ọrụ n'okpuru iwu na-agbanwe agbanwe nakwa ozi dị ntakịrị nke na-abịa dịka ọ na-eme.

Gọọmenti nwekara nsogbu nke oghere na-ebuwanye ibu na nkà ọgbara ọhụrụ, ma n'etiti ndị ndu na-eme mkpebi atụmatụ ma n'etiti ndị ọrụ na-ahụ maka iji usoro AI arụ ọrụ.[14] Asọmpi siri ike maka ndị nwere nkà AI na-aka abara ụlọọrụ nke onwe nnukwu uru, ebe ụgwọọnwa nnwereonwe n'ọrụ, na ohere itolite n'ọrụ na-adị mma karịa. N'ihi ya, amamihe na-adịkarị n'aka ndị na-enye ọrụ karịa ịnọ n'aka gọọmenti n'onwe ha, nke na-ebute ndabere nke na-eme ka nlekọta ụlọọrụ ọha sie ike.

## Ihe nke abụọ a ga-eme
## Wulite ikike site n'ọzụzụ na otu nkwado AI nke na-ejikọta ọrụ dị iche iche

GGọọmenti ga-enwe ike nweta ọganihu n'iwulite ezi mmetụta nke AI ma belata ihe ize ndụ ya ma ọ bụrụ na ha hụ na ndị ndu ha, ndị ọrụ, na ụlọọrụ ha nwere ikike zuru oke ịrụ ọrụ dịka ndị na-eduzi AI nke ọma nakwa n'ụzọ ziri ezi.

Nke mbụ, gọọmenti kwesịrị ịzụ ndị ọrụ ha n'ụzọ ha ga-eji ngwaọrụ AI rụọ ọrụ nke ọma. Ọ bụ eziokwu na atụmatụ ọzụzụ na-elekwasịkarị anya n'ụzọ AI kwesịrị isi rụọ ọrụ nke ọma, ndị ọrụ kwesịkwara inwe nkà na obi isi ike iji AI mee ihe n'ụzọ zuru oke n'ọrụ ha kwa ụbọchị, nke gụnyere ikike ịghọta etu AI si arụ ọrụ n'ọnọdụ ọbụla e tinyere ya, ịchọpụta mgbe usoro nwereike ịda mba, na itinye usoro ndabere n'ọrụ ma nsogbu dapụta.

A ga-etinyekwa usoro ndị e lekwasịrị anya na-adịgide adịgide n'ọrụ iji nyere ndị ọrụ obodo aka iwulite nkà ndị dị mkpa iji rụọ ọrụ nke naanị mmadụ naanị nwereike ịrụ, dịka ịkọwa ọnọdụ gbagwojuru anya n'otu n'otu, ịhazigharị mmasị ndị na-emegiderịta onwe ha, na ịhụ na mkpebi algọridim ziri ezi.

> ***Iji were "ngwa ọmụmụ kọmputa mee ihe nke ọma, ị kwesịrị ịkwalite nkà ndị ọrụ gị […]. Mgbe kọmputa chọpụtara aghụghọ maọbụ buo amụma banyere onye ahịa maọbụ onye ọrụ n'ụzọ ziri ezi ruo pasent 90, mmadụ ga-elebara pasent 10 fọdụrụ anya, ma nke ahụ ga-abụ pasent 10 kachasị ike."*** [15]

Nke abụọ, **gọọmenti ọbụla kwesịrị ịtụle ikepụta otu nkwado AI nke nwere ọrụ dị iche iche** iji nyere ụlọọrụ gọọmenti aka ịnabata AI n'ụzọ nwere nchekwa, rụọ ọrụ nke ọma, ma mezuo

ebumnuche ha. Ebumnuche otu a ga-abụ ịkwado mịnịstrị na ụlọọrụ n'oge niile AI ahụ ga -arụ ọrụ: site n'ịchọpụta ogogo ịba uru AI, ịhazigharị usoro ọrụ tupu a hapụ ya ka ọ rụwa ọrụ, ruo n'ịhọrọ na itinye ngwaọrụ kwesịrị ekwesị iji hụ na ha dabara n'iwu nakwa nchekwa. Ọrụ ya ndị gbara ọkpụrụkpụ ga-agụnye: ịtụle ikike na ihe ize ndụ; ịtọ ụkpụrụ maka ogogo ozi, ịchịkọta ọdịdị na ịdekọta ihe; iji 'pilot na sandbox'; na ịgbata ọsọ n'ọrụ mgbe usoro AI kwesịrị nhazigharị maọbụ mwepụ. Ihe ndị mejupụtara ya kwesịrị igosipụta ọrụ ya site n'iwekọta teknụzụ, iwu, usoro ọrụ, arụmọrụ, na nchịkọta mgbanwe, gụnyere nka na iwu ọha, nhazi nke dabere na mmadụ, mgbazi, na ọrụ ndị dị ezigbo mkpa.

## Ịmaaka 3
# Ikike na-adịghị nhatanha bụ nnukwu ihe na-eche gọọmentị ihu

BNlekwasịanya dị elu n'ọrụ mmepụta AI emeela ka nhatanha ikike dị n'etiti gọọmentị na ngalaba ndị nkịtị gbanwee, ma na-ama aka megide nkwudosiike na nchịkọta nke ọchịchị onye kwuo uche ya. Ndị na-ere AI, otu na-ebughị ibu kachasị bụrụ ụlọọrụ ndị America na China, abụghị naanị na ha na-achịkọta ụzọ e si enweta teknụzụ, kamakwa ozi, okwu nkwekọrịta, na ọnọdụ ọrụ, nke na-eme ka gọọmentị dabere na ha maka ihe ndị gbara ọkpụrụkpụ dịka kọmputa, usoro nchekwa 'cloud', ụdị asụsụ buru ibu, na nka ndị dị mkpa iji wụnye ngwa AI na mịnịstị dị iche iche maọbụ ngalaba gọọmentị.[16]

Ndabere a abụghị naanị obere nsogbu; ọ ghọọla ihe na-eme ka ọchịchị sie ike. Oge ụfọdụ, gọọmentị anaghị enwe ohere idekọta ozi, usoro nnyocha, maọbụ nkọwa banyere akparamaagwa ọdịdị ahụ, ma ha ga-adabere na nnyocha nke ndị na-ere ngwaahịa iji nyochaa usoro AI nke metụtara oke na ikike ndị mmadụ. Mgbe ụlọọrụ ọhanaeze anaghị enwe ike nyochaa ngwa ndị ha ji achọpụta ikike inweta enyemaka, maọbụ mgbe nkwekọrịta nzuzo na-egbochi nnyocha nke ngwa ndị na-agba ama, ndị ọrụ ya na-achị n'ọnọdụ enweghị ozi zuru oke.

Ịzụ ahịa na-eme ka enweghị ikike nhatanha a bụrụ nke dịwanyere njọ.

Ọtụtụ gọọmentị enweghị ikike ịrụ ọrụ iji kwado ikike nnyocha, ịchọ ka e mee ka ihe doo anya, maọbụ igbochi ndabere n'otu onye na-ere ngwaahịa, nke na-ebute ndabere ogologo oge. Ọnọdụ a na-emetụtakarị mba ndị pere mpe, ndị na-enweghị ikike nchịkọta buru ibu na ndị nwere obere nnọchiteanya n'otu mbaụwa na-achịkọta ụkpụrụ.

Dịka ụlọọrụ mbụwa na-elekọta ụkpụrụ e si enweta AI dị elu, a na-atụ ụjọ na gọọmentị ga-abụ ndị na-eso na ngalaba dị mkpa maka ọchịchị obodo. Ọ bụrụ na e nweghị atụmatụ doro anya iji weghachite nlekọta, ngwa ndị a nabatara iji mee ka ọchịchị obodo sie ike nwereike mee ka ikike gọọmentị ime nke a belata dịka oge na-aga.

## Ihe nke atọ a ga-eme
# Weghachite ikike ọhanaeze site na mmekọrịta na nguzosiike nke teknụzụ

IIji weghachite nchịkọta na AI maka iji ya mee ihe n'ọchịchị obodo, gọọmentị kwesịrị isite n'ịzụrụ naanị onwe ha gaa n'ọrụ e jikọtara ọnụ. **Njikọ otu ịzụ ahịa,** dị ka mkparịtaụka e jikọrọ ọnụ maka ọgwụ mgbochi,[17] ga-enye gọọmentị ndị sonyere ohere ijikọta ọchịchọ na nka ha. Ikike a e jikọtara ọnụ a ga-enyere ha aka inweta ihe ha na-enweghị ike inweta ma ọ bụrụ naanị ha, nke gụnyere ikike nnyocha dị mkpa, ịkọwa ozi ọzụzụ nke ọma, idekọta omume ụdị AI n'ụzọ doro anya, na nkwenye nke inyefe ozi. Mgbe ọtụtụ gọọmentị bịakọtara ọnụ ka ha na onye na-ere ngwaahịa nwee mkparịtaụka, okwu nkwekọrịta nke gaara iyi ihe "na-adabaghị n'ụkpụrụ" nwereike buru ihe mgbakwasịụkwụ.

Ụlọọrụ ọhanaeze kwesịrịkwara **ịrụkọ ọrụ ọnụ, n'ime obodo na n'ụwa niile, na'imepụta na ịkekọrịta ngwa AI, ọdịdị ya, ihe nlekwasịanya n'inye ikike, nduzi nke nchekwa, nka iwu na ọchịchị, maọbụ ndekọ nnyocha.** Ụzọ a (ọkachasị mmekọrịta South-South na Majority-World iji kepụta otu nkwado nke mpaghara maọbụ nke jikọtara ọnụ) ga-enye ha ohere ịnabata teknụzụ a pụrụ ịtụkwasịobi ma jiri ya megharịa ihe na-enweghị ndabere n'ụlọọrụ ndị si ebe ọzọ. Akụrụngwa ọgbara ọhụrụ nke ọhanaese a na-ekekọrịta nwereike belata ndabere gọọmentị n'ụlọọrụ ndị si ebe ọzọ. Iji maa atụ, X-Road, usoro nkwukọrịta na mgbanwe ozi nke mba Estonia haziri, na-enye ụlọọrụ ọhanaeze na ndị e nyere ikike ohere ikwurịta okwu site na nchekwa ozi ha haziiri onwe ha, kama ịdabere n'usoro nke onwe, nke mba 20 gụnyere Finland, Ukraine, na Japan ji eme ihe ugbua.[18]

Ịweghachite ikike ọhanaeze n'ebe AI nọ apụtaghị iwulite maọbụ ijikwa usoro ọgbara ọhụrụ niile n'ime ụlọọrụ. Ịdabere naanị n'ike teknụzụ nwere ihe ize ndụ ya, nke gụnyere mmepe anaghị aga ngwangwa, ohere pere mpe inweta teknụzụ dị elu, nakwa ebe

ọdịda ọhụrụ n'ime gọọmentị n'onwe ya. Kama nke ahụ, nguzosiike chọrọ **ịhụ na ọ nweghị otu teknụzụ, onye na-ekesa ya, maọbụ ọdịdị ụlọọrụ ga-adị mkpa nke ukwuu nke a na-enweghị ike dochie ya.**

Ihe a chọrọ bụ ịdị nhatanha n'etiti ogbugbo teknụzụ dị iche iche, dịka iwulite akụrụngwa ọgbara ọhụrụ ọhanaeze nke nwere ikike na ngalaba ndị nkịtị, ịgbasa ndị na-eweta ngwaahịa, izere ịdabere n'otu ihe, nakwa ịhụ na e nwere ike ibugharị ozi n'usoro dị iche iche. Ụzọ Ịndia si eme ihe na-egosi echiche a, ebe a na-achịkọta akụrụngwa ọgbara ọhụrụ ọhanaeze nke e wubere ma jiri ndị na-arọpụta teknụzụ a ma ama na-achịkọta ya site na 'cloud'.

> ***Ajụjụ dị mkpa nye gọọmentị abụghị ma ha ga-adabere n'ahịa maọbụ wuo ihe niile n'onwe ha, kama ọ bụ otu ha ga-esi chịkọta usoro e jikọtara ọnụ n'ụzọ ga-echekwa nkwudosiike, inye ngụkọ, na nchịkọta ga-adị ogologo oge.***

## Ịmaaka 4
## Oghere dị n'inye ngụkọ na-ebibi ntụkwasịobi n'ụlọ ọrụ ọhanaeze

A na-etinyekarị AI n'ọrụ na-ebughị ụzọ tinye usoro dị iche iche dị mkpa n'ọrụ iji kwado nkwenye ndọrọndọrọ ọchịchị na ntụkwasịobi ọhanaeze n'ụlọọrụ gọọmentị. Nke a nwereike ịgụnye ọnọdụ ebe a na-etinye usoro AI n'ọrụ na-enweghị nrụrịtaụka ọhanaeze maọbụ nkwado iwu site n'ụlọomeiwu, ebe a na-agụpụ ndị obodo o metụtara na nhazi ya nke na ha amaghị na a na-eji teknụzụ ahụ eme ihe. Iwu doro anya gbasara ime ihe na nkwụwaakaọtọ, inye ngụkọ, na ibu ọrụ na-enye aka ichekwa ihe ndị a dị oke mkpa.

Ọtụtụ n'ime usoro AI ndị gọọmentị ji arụ ọrụ na-arụkwa ọrụ dịka "igbe ojii" nke na-adịghị eme ka ihe doo anya, nke na-enye ndị mmadụ, ọbụnadị ndị ọrụ gọọmentị obere ohere ịghọta etu e si enwe mkpebi maọbụ maa amụma. N'ime ụlọọrụ, ndị ọrụ gọọmentị nwereike malite ịdabere na mkpebi nke AI na-akwado na-enweghị usoro doro anya banyere ụzọ e si eji ya eme ihe maọbụ ibu ọrụ ya, nke ga-eme ka e nwee oke ndabere na ndụmọdụ si nna kọmputa na-enweghị nnyocha mmadụ kwesịrị ekwesị, ma meekwa ka e nwee obere nsọpụrụ maka iwu nchịkọta ọrụ na nchekwa iwu. Iji maa atụ, n'ime ihe dịka ọnọdụ pasent 95, ndị uweojii Spain sooro akara ihe ize ndụ nke algọridim wepụtara iji luso omume ihe ike megide ụmụnwaanyị ọgụ, kama ile ya anya dịka otu n'ime ọtụtụ ihe ntiny.[19]

Nke a na-ebute nsogbu n'ihi na ndị mmadụ anaghị enwekarị ụzọ dị irè ga-esi jụ maọbụ megide mkpebi AI metụtara ha. N'eziokwu, naanị mba 35 nwere usoro na-enye ohere maka nzaghachi na idozi nsogbu mgbe usoro AI nke gọọmentị wetara mmebi nye mmadụ.[20] Ebe o si ka njọ bụ na ọtụtụ mmadụ dị n'ụwa enweghị amamihe a chọrọ iji mata mgbe a na-eji AI enwe mkpebi, na-abụghịdị ikwu maka ịghọta, ịjụ ajụjụ, maọbụ iguzogide mpụtara ya. N'ụfọdụ mba dịka South Africa, ebe ihe dịka otu ụzọ n'ime atọ nke ndị mmadụ na-enwebeghị mgbe ha nụrụla maka AI maọbụ nwee obere nghọta banyere ya nakwa mmetụta ọ pụrụ inwe na ndụ ha,[21] ọ na-esi ike iguzogide mkpebi AI nyere aka mee.

> ***Dịka nnyocha UN siri kwuo, ihe na-erughị ọkara nke mba zara ajụjụ anabatala iwu maọbụ ụkpụrụ gbasara iji AI eme ihe n'ụzọ ziri ezi n'ọchịchị ọhanaeze.[22]***

## Ihe nke anọ a ga eme
## Wube 'Trust Stack' maka AI na ngalaba ọhanaeze

Kama ịdabere naanị n'ụzọ nchekwa dị iche iche, gọọmentị kwesịrị ihiwe "Trust Stack" maka AI na ngalaba ọhanaeze iji mee ka iji AI elekọta ọha sie ike, ma site na nke a mee ka ntụkwasịobi ndị mmadụ na ndị ọrụ gọọmentị nwere na ha bawanye. Ihe dị oke mkpa bụ na a gaghị ewu "Trust Stack" a na-agbasoghị usoro iwu dị adị, kama ọ ga-adabere n'iwu nchịkọta, iwu nke ịzụ ahịa nakwa iwu AI ọhụrụ nke nyerela ohere ịchịkọta usoro e si eji AI eme ihe na ngalaba ọhanaeze.

Nke mbụ, **ntụkwasịobi chọrọ ozi iji kwalite ime ka ihe doo anya** site n'ime ka iji AI eme ihe pụta ìhè, bụrụ nke a pụrụ ịghọta na nke a pụrụ inyocha. Canada egosila na gọọmentị nwereike ịbụ ndị a na-elere anya site n'ịme ka idepụta ndekọ AI bụrụ iwu—ya bụ, nchekwa ozi ọhanaeze nke na-edepụta usoro AI niile gọọmentị ji eme ihe, ebumnuche ha, ebe ha si enweta ozi, na oke ha ndị a maara.[23]

Ụlọọrụ ọhanaeze kwesịrịkwara ime Nyocha gbasara mmetụta Algọridim tupu etinye ngwa AI ọ bụla

n'ọrụ, ma a ga-eme ka ọhanaeze mara maka mpụtara nyocha a.

Nkọwa doro anya kwesịrị ime ka ọhanaeze mara mgbe a na-eji usoro AI arụrụ ọha ọrụ, ma kọwaa n'ụzọ dị mfe etu e si eji usoro ahụ arụ ọrụ.

**Ntụkwasị obi na-adaberekwa n'usoro ndozi esemokwu** iji kenye ọrụ na ibu ọrụ gbasara iji AI eme ihe ma hụ na e tinyere inye ngụkọ n'ọrụ nke ọma. Were France dịka ihe ịma atụ, gọọmenti France kwesịrị ihiwe usoro (maọbụ kwalite nke dị adị), dịka onye na-ahụ maka mkpesa AI maọbụ ngalaba enyemaka pụrụiche nke ga-enye ndị mmadụ ohere itinye mkpesa ma chọọ ndozi.[24] N'ịgbaso ihe atụ Schleswig-Holstein steeti nke mba Germany, ha nwereike ịga n'ihu site n'ihiwe usoro "ịgba AI ụkwụ" nke ga-ekwere ka e megharịa mkpebi kọmputa ma mee ka mmadụ nyochaa ya ọzọ na-enweghị ihe ọghọm n'ihe gbasara usoro iwu nye onye jụrụ ya.[25] Iji kwado usoro nchekwa ndị a, gọọmentị ga-adị ezigbo njikere ịza ajụjụ maka mkpebi na ọrụ metụtara AI, dịka South Korea mere n'oge na-adịbeghị anya site n'ịkọwa usoro ibu ọrụ nke ọma maka ụlọọrụ na ndị ọrụ gọọmentị.[26]

N'ikpeazụ, **a na-ejigide ntụkwasịobi site na nlekọta nke usoro ndị metụtara ọtụtụ ndị nwere aka oke** (òtù ndị nwere nnọchiteanya dabara adaba sitere n'ọha mmadụ, ndị gụrụ akwụkwọ, ụlọọrụ, na òtù ọrụ) ndị ọrụ ha bụ ileba anya, nyochaa, ma kwalite usoro AI na omume ya mgbe niile. Iji kwado usoro nlekọta a, gọọmentị kwesịrị ịhụ na e nwere nchekwa siri ike maka ndị na-ekpughe mpụ na ndị na-eme nchọcha nchekwa maka ọdịmma ọhanaeze, bụ ndị na-achọpụta ndahie usoro maọbụ mmebi ụkpụrụ omume.

## 'Trust Stack' maka AI na ngalaba ọhanaze

**Mpaghara Ozi**
Ime ka ihe doo anya ma mee ka ọhanaeze mara maka ya

Nkọwa doro anya, ndekọ AI, na nnyocha mmetụta..

**Mpaghara Ndozi Esemokwu**
Ikike ịjụ mkpebi ma nweta ogbugbo kwesịrị ekwesị

Usoro mgbake, ikike ịgbagha mkpebi, na inye ngụkọ n'okpuru iwu..

**Mpaghara Nlekọta**
Nlekọta na-aga n'ihu, nke jikọtara ọnụ, na nke kwụụrụ onwe ya

Nlekọta AI ọhanaeze site n'aka otu dị iche iche na nchekwa ndị na-ekpughe mpụ.

## Nhazi maka ọdịda: ime ka nkwụdosiike AI bụrụ nke pụtara ihe

Ịda mba teknụzụ nwereike ime ka a kwụsịtụ ọrụ dị mkpa ma mebie usoro nkesa ihe nke nwereike ibute nsogbu ndị ọzọ na-eso ya. N'afọ 2024, mwulite na-adịghị mma sitere n'aka ụlọọrụ nchekwa kọmputa bụ CrowdStrike mere ka usoro Windows nde 8.5 ghasaa n'ụwa niile, nke metụtara ụlọọgwụ, ọrụ gbatagbata, na ngalaba ụlọọrụ gọọmentị.[27] N'afọ 2025, ọkụ gbara n'ụlọọrụ National Information Resources Service nke mba Korea mere ka usoro gọọmenti 647 kwụsị, ma mee ka ụmụ amaala ghara inweta ọrụ dị mkpa ruo ọtụtụ izu.[28] Ebe mmejọ bụ ihe a na-apụghị ịgbanarị, ihe ịmaaka gọọmenti kachasị bụ iguzogide ha—ya bụ, ikike ha ịnagide nsogbu ma laghachi ngwangwa mgbe ha mere. Mana, usoro ọchịchị nke na-agbanwe ngwangwa na-elekwasị anya n'ime ka ihe pụta ìhè karịa ịdị njikere, ma na-ahapụ atụmatụ nlọghachi ka ha ghara izu oke maọbụ bụrụ nke a na-anaghị anwale. Na mgbakwunye, ọtụtụ gọọmentị na-adabere n'ọnụọgụgụ pere mpe nke ndị na-enye nchekwa 'cloud', ogige nchekwa ozi, maọbụ ọdịdị AI, nke mwakpo ịntaneetị maọbụ ọdachi ụwa nwereike ịkụsasị kpamkpam. Iji zere nsogbu usoro niile, **gọọmentị ga-ewere nkwụdosiike dịka ikike dị mkpa, nke gụnyere ịkwadebe usoro ndabere na ịnwale ikeike ọrụ.**

## Bido Obere. Kwalite. Kwudosie ike.

Ebe ọ bụ na AI na-akwalitekarị ihe ndị dị adị, a chọrọ ntọala siri ike ma zuo oke iji kwado nnabata ya nke na-agbanwe usoro. AI ga-abara ọhanaeze uru naanị mgbe a tọrọ ntọala ya n'idozi nsogbu ndị ji ya eme ihe a kọwara nke ọma, tinye ya n'ime ogige a hazigharịrị, nke ndị ọrụ na ndị otu maara ihe ha na-eme kpalitere, nke e ji mmekọrịta na-akwado, ma chịkọta ya n'ụzọ doro anya site n'ikike ọhanaeze. Ọ ga-eme ka ọdịda dị ngwa karịa idozi nsogbu ma ọ bụrụ na e tinye ya n'ọrụ n'ụlọọrụ gọọmentị

ebeusoro ọrụ dị na nkeji na nkeji, tinyere etinyeghị ego zuru oke n'ime mmadụ na nkwudosiike, njikọ na-adịghị ike, na inye ngụkọ na-ezughị oke. Izere ịda mba pụtara iguzogide ọchịchọ iji AI dochie ikike na mkpebi ụlọọrụ, kama iji teknụzụ ahụ mee ka ha sie ike ma kwalite ha. Iji nwayọ nwayọ ma nweekwa nnukwu ebumnuche site na mmalite, ekwesịghị ịbụ ihe a ga-ahụta dịka ụjọ maọbụ enweghị mkpebi, kama dịka ihe na-egosi ịdị njikere na iba uru. Nnwale a haziri nke ọma, itinye ya n'ọrụ n'ogogo dị iche iche, na atụmatụ e chebaara echiche iji zute ọnọdụ kachasị njọ bụ naanị ụzọ a pụrụ ịtụkwasịobi iji mụta, gosipụta uru ọha, ma gbanwee atụmatụ tupu ihe ize ndụ sitere na AI amụbaa.

O dobeghị anya ma AI ọ ga-agbanwe gọọmentị anyị n'ụzọ zuru oke, maọbụ ọ ga-anọgide bụrụ teknụzụ dị ike ma nwee njedebe nke mmetụta ya n'ogologo oge nwereike ịdaba n'echiche ndị mmadụ. Otu ihe doro anya, n'agbanyeghị na **inye ngụkọ bụ ụgwọ a ga-akwụ iji tinye AI na ngalaba ọha.** Ọ bụrụ na enweghị atụmatụ na mmejuputa kwesịrị ekwesị, ọchịchị gọọmentị ga-ahụ onwe ha ebe ha na-elekọta teknụzụ ha na-enweghị ike ịchịkọta nke ọma, nakwa mmadụ ndị ga-amalite iwezuga ntụkwasịobi n'ebe ha nọ.

## Notes


1. See OECD. (2025, September 18). *Governing with artificial intelligence*. https://doi.org/10.1787/795de142-en
2. Karadeglija, A. (2025, December 12). *Ottawa is using AI to review public comments on its national AI strategy*. Canada's National Observer. https://www.nationalobserver.com/2025/12/12/news/ottawa-using-ai-review-public-comments-its-national-ai-strategy
3. Government Technology Agency (GovTech) Singapore. (n.d). *AIBots*. https://www.tech.gov.sg/products-and-services/for-government-agencies/productivity-and-marketing/aibots/
4. OECD. (2025, September 18). *Governing with artificial intelligence*. https://doi.org/10.1787/795de142-en
5. See for example Wingar, J. (2025, March 10). *Musk Replacing Workers with AI: Should you Be Worried?* Forbes. https://www.forbes.com/sites/jasonwingard/2025/03/10/musk-replacing-workers-with-ai-should-you-be-worried/. Albania even experimented with an AI Minister but the developers have been accused of corruption; and the AI trained on unreliable data was overlooking some evidence. See: Jakes, L. (2026, January 27). *Albania Created an 'A.I. Minister' to Curb Corruption. Then Its Developers Were Accused of Graft*. New York Times. https://www.nytimes.com/2026/01/27/world/europe/albania-ai-corruption-graft.html
6. OECD. (2025, September 18). *Governing with artificial intelligence*. https://doi.org/10.1787/795de142-en. See also: Challapally, A., Pease, C., Raskar, R., & Chari, P. (2025, July). The GenAI divide: State of AI in business 2025. MIT. https://www.artificialintelligence-news.com/wp-content/uploads/2025/08/ai_report_2025.pdf
7. De Liban, K., & Marwick, A. (2024, December 10). *AI can't solve government waste – and may hurt vulnerable Americans*. Tech Policy Press. https://www.techpolicy.press/ai-cant-solve-government-waste-and-may-hurt-vulnerable-americans
8. Kwon, J. (2025, October 15). *AI powered textbooks fail to make the grade in South Korea*. Rest of World. https://restofworld.org/2025/south-korea-ai-textbook/

9. Parker, I. (2025, April 29). *Why public legitimacy for AI in the public sector isn't just a 'nice to have.'* Global Government Forum. https://www.globalgovernmentforum.com/why-public-legitimacy-for-ai-in-the-public-sector-isnt-just-a-nice-to-have/
10. Dizikes, P. (2024, December 6). *Daron Acemoglu: What do we know about the economics of AI?* MIT News. https://economics.mit.edu/news/daron-acemoglu-what-do-we-know-about-economics-ai
11. See Martinsuo, M. (2020). *The management of values in project business: Adjusting beliefs to transform project practices and outcomes*. Project Management Journal, 51(4), 389–399. https://doi.org/10.1177/8756972820927890
12. Government Digital Service & Central Digital and Data Office. (2025, April 2). *Government design principles*. https://www.gov.uk/guidance/government-design-principles
13. Danish Agency for Digital Government. (n.d.). *Danish strategies for artificial intelligence*. https://en.digst.dk/digital-governance/new-technologies/danish-strategies-for-artificial-intelligence
14. OECD. (2025, September 18). *Governing with artificial intelligence*. https://doi.org/10.1787/795de142-en
15. Ross, J. (2017, July 14). *The fundamental flaw in AI implementation*. MIT Sloan Management Review. https://sloanreview.mit.edu/article/the-fundamental-flaw-in-ai-implementation/
16. World Bank Group. (2025). *Digital development progress and trends report 2025: Strengthening AI foundations*. https://documents.worldbank.org/en/publication/documents-reports/documentdetail/099112525160593874
17. See: Gavi, the Vaccine Alliance. (2024). https://www.gavi.org/
18. See e-Estonia. (n.d.). *X Road: Interoperability services*. https://e-estonia.com/solutions/interoperability-services/x-road and Digital Cooperation Organization. (2025). *Digital public infrastructure: A key building block for social inclusion and economic development*. https://dco.org/wp-content/uploads/2025/06/DPI-Policy-Paper.pdf?ref=breakthroughpursuit.com
19. Satariano, A., & Toll Pifarre, R. (2024, July 18). *An algorithm told police she was safe. Then her husband killed her*. The New York Times. https://www.nytimes.com/interactive/2024/07/18/technology/spain-domestic-violence-viogen-algorithm.html.
20. *Global Index on Responsible AI*. (2024). https://agatadata.com/wp-content/uploads/2024/11/Global-Index-on-Responsible-AI-2024-Corrected-Edition-25_10_24-Gobierno-de-Canada-y-USAID.pdf
21. Junck, L. D., & Adams, R. (2025, September 29). *One in three South Africans have never heard of AI: What this means for policy*. UCT News, University of Cape Town. https://www.news.uct.ac.za/article/-one-in-three-south-africans-have-never-heard-of-ai-what-this-means-for-policy
22. United Nations Department of Economic and Social Affairs (DESA). (2024). *Addendum on AI and Digital Government. United Nations E-Government Survey 2024*. United Nations. https://desapublications.un.org/sites/default/files/publications/2024-10/Addendum%20on%20AI%20and%20Digital%20Government%20%20E-Government%20Survey%202024.pdf
23. See Treasury Board of Canada Secretariat. (2025, November 28). *Canada launches first register of AI uses in federal government*. https://www.canada.ca/en/treasury-board-secretariat/news/2025/11/canada-launches-first-register-of-ai-uses-in-federal-government.html
24. Commission nationale de l'informatique et des libertés (CNIL).(2026, January 5). *AI system development: CNIL's recommendations to comply with the GDPR*. https://www.cnil.fr/en/ai-system-development-cnils-recommendations-to-comply-gdpr
25. The Prime Minister of Schleswig-Holstein. (2021, November). *Artificial intelligence: Strategic objectives and areas of activity for Schleswig-Holstein*. https://www.schleswig-holstein.de/DE/landesregierung/themen/digitalisierung/kuenstliche-intelligenz/KI_Strategie/_documents/ki__ai_strategy_download.pdf?__blob=publicationFile&v=2
26. See: Act on Activation of AI and Data-Based Administration (January 29, 2026); Framework Act on the Development of Artificial Intelligence and Establishment of Trust, art. 16(4) (as amended January 20, 2026).
27. Cybersecurity and Infrastructure Security Agency. (2024, August 6). *Widespread IT outage due to CrowdStrike update*. https://www.cisa.gov/news-events/alerts/2024/07/19/widespread-it-outage-due-crowdstrike-update
28. Kim, H., & Yang, H. (2025, September 29). *South Korea scrambles to restore digital services after server fire*. Reuters. https://www.reuters.com/world/asia-pacific/south-korea-restores-46-services-after-data-centre-fire-safety-minister-says-2025-09-29/

# Authors



**Catherine Régis** bụ Ọkankụzi nke Iwu na mahadum Université de Montréal ma bụrụkwa Onyeisi na-ahụ maka ngalaba Social Innovation and International Policy nke IVADO. Dịka ọkachamara n'ihe gbasara nchịkọta AI, o so na-ahazi nnyocha n'ụlọ ọmụmụ Canadian AI Safety Institute na CIFAR, jide nzere Canada CIFAR Chair na AI nakwa Human Rights (Mila), tinyekwara nzere Chair on Science Diplomacy and Global Governance of AI (Fonds de recherche du Québec).



**Florian Martin-Bariteau** bụ Onyeisi ngalaba nchọcha maka teknụzụ na obodo ma bụrụkwa Ọkankụzi n'ihe gbasara iwu na mahadum University of Ottawa, ebe ọ nọ n'isi otu AI + Society Initiative and the Centre for Law, Technology and Society. Ọ bụ Faculty Associate nke Berkman-Klein Centre na mahadum Harvard University.



**Rachel Adams** bụ onye dere akwụkwọ The New Empire of AI: The Future of Global Inequality. Ọ bụ Ọkankụzi nchọcha nakwa Nnukwu Onyeisi na the Leverhulme Centre for the Future of Intelligence nke mahadum University of Cambridge nakwa Onyeisi hiwere ụlọọrụ Global Center on AI Governance.




**Peter Parycek** bụ Ọkankụzi nke E-Governance na mahadum University for Continuing Education dị na Krems. Ọ nọ n'isi ngalaba E-Governance nakwa Public IT Competence Center na Fraunhofer FOKUS dị na Berlin. A họọrọ ya n'otu German Federal Government's Digital Council.



**Brunessen Bertrand** bụ Ọkankụzi na ngalaba ọmụmụ iwu na mahadum University of Rennes 1, onye lekwasịrị anya n'iwu na etu ụlọọrụ si achịkọta ozi, AI nakwa teknụzụ ọgbara ọhụrụ. Nchọcha ya lekwasịrị anya n'ụkpụrụ nlekọta otu EU, nkwụrụ na nke onwe nke dijitaalụ nakwa nchekwa ịntaneetị, ma ya na ụlọọrụ ọhanaeze na ndị mgbakọaka mbaụwa na-arụkọ ọrụ.



**Carlos Affonso Pereira de Souza** bụ ọkachamara n'ihe gbasara iwu, onye lekwasịrị anya n'iwu ọgbara ọhụrụ ma nọrọkwa n'isi Institute for Technology and Society dị na Rio de Janeiro. Ọ bụkwa Ọkankụzi nke Iwu na Teknụzụ, onye tụnyerela oke na mwulite ịntaneetị mba Brazịl nakwa iwu nchekwa ozi.



**Jake Okechukwu Effoduh** bụ Osote Ọkankụzi na Lincoln Alexander School of Law dị na Toronto Metropolitan University, onye lelwasịrị anya n'iwu AI nakwa ikike mmadụ na mbaụwa. Ọ na-atụnye oke na mwulite atụmatụ ndị ga-elekọta AI na mba dị iche iche ma nọrọkwa n'isi atụmatụ nchọcha ndị gbapụtara ihe na Canada nakwa Africa.



**Hyesun (Melissa) Yoon** bụ Ọkankụzi na mahadum Hanyang University School of Law nakwa nakwa na ngalaba Artificial Intelligence nke ụlọakwụkwọ Graduate School of Engineering. Ọ bụ ọkachamara a ma ama n'iwu nchịkọta na nlekọta AI, na-agakwa ozi n'ọtụtụ kọmitii nke gọọmenti mba Korea, ma nwee agba na mmụta mbaụwa nakwa dịka Ọkankụzi.

# Mkpirisi okwu zuru ụwa ọnụ gbasara atụmatụ AI

**Mkpirisi okwu zuru ụwa ọnụ gbasara atụmatụ AI bụ nrụkọta ọrụ nke IVADO, otu kachasị elu na Canada n'ihe gbasara nchọcha AI na ịkekọrịta amamihe na mahadum Université de Montréal, nakwa AI + Society Initiative na Mahadum Ottawa. Ebumnọbi atụmatụ a bụ ịrọpụtara ndị na-eme iwu ndụmọdụ siri ike a pụrụ itinye n'ọrụ iji dozie nnukwu nsogbu ụwa metụtara AI.**

N'isochi agba nke mbụ nke lekwasịrị anya na mmetụta AI nwere n'ọchịchị onye kwuo uche ya na ntụkwasịobi nke ntuliaka, atụmatụ a kpọkọtara nzukọ ndọrọndọrọ ọchịchị nke abụọ nke lekwasịrị anya na AI n'ime gọọmenti. Dịka nnabata AI na ngalaba ọhanaeze na-abawanye ngwangwa n'ụwa niile, gọọmentị na-agabiga ihe ịmaaka na-abawanye gbasara ịzụ ahịa, itinye ihe n'ọrụ, ime ka ihe doo anya, inye ngụkọ, ịchịkọta ihe ize ndụ, na ibelata mmejọ. Nzukọ a lebara anya na nsogbu ndị a site n'imepụta nduzi bara uru maka ịzụ ahịa na itinye AI n'ọrụ n'ụzọ ziri ezi n'ọchịchị ọhanaeze, nke ebumnobi ya bụ iji hụ na teknụzụ ndị a na-arụ ọrụ maka ọdịmma ọha.

A haziri akwụkwọ nduzi a n'oge nzukọ Ọkankụzi Catherine Régis na Florian Martin-Bariteau kpọrọ, nke jikọtara ndị ọkachamara AI si n'ụwa niile. A haziri nzukọ a site n'aka Società Italiana per l'Organizzazione Internazionale (SIOI) dị na Rome, Italy, n'ọnwa Disemba 2025. E dere mkpirisi atụmatụ a site na nkwado Halima Bachir, Antoine Congost na Réjean Roy nke otu nchịkọta amamịhe n'IVADO.

A rụpụtara atụmatụ ọrụ a site na ntụnyeoke CEIMIA, Onyeisioche Canada CIFAR n'ihe gbasara AI na Ikike Mmadụ na Mila, na Onyeisioche nchọcha gbasara Teknụzụ na Ọhanaeze na Mahadum Ottawa, tinyekwara nkwado sitere n'aka Délégation du Québec à Rome na SIOI maka ịhazi nzukọ ahụ.

Ntụgharị asụsụ n'asụsụ Igbo: Toronto Metropolitan University.

## Ndị a ga-akpọ aha n'akwụkwọ a

Catherine Régis, Florian Martin-Bariteau, Rachel Adams, Brunessen Bertrand, Jake Okechukwu Effoduh, Peter Parycek, Carlos Affonso Pereira de Souza & Hyesun Yoon. (2026). Governing with AI: Building a Transformative and Resilient Public Administration. The Global Policy Briefs on AI, IVADO / AI + Society Initiative, University of Ottawa. 2026. DOI: https://doi.org/10.20381/4cy3-dj29

*Echiche ndị e gosipụtara n'akwụkwọ nduzi a bụ naanị nke ndị dere ya.*

*E ji ngwaọrụ Amamihe Nwa Bekee (AI) naanị maka ebumnuche nhazi ederede, gụnyere ndezi asụsụ na imeghari ahịrịokwu.*

Ndị jikọtara aka mepụta ya bụ

IVADO

uOttawa | Initiative IA + Société AI + Society

Site na nkwado

CIFAR

ceimia

A haziri atụmatụ a site na nkwado si n'akpaego Canada First Research Excellence Fund.